lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Samson, onye nke Chineke siri ike

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Lyn Doerksen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

N’ogologo oge gara aga, n’ala Izrel, otu nwoke aha ya bụ Manoa dị.  Ya na nwunye ya amụtaghị ụmụ. Otu ụbọchị, mmụọ ozi Jehova pụtara n’ihu Oriakụ Manoa.  O wee sị ya, “Ị ga-amụta nwa pụrụ iche.”



Ọ wee gwa di ya ozi ọma ahụ magburu onwe ya. Manoa wee kpee ekpere sị, “Jehova, Onye-nwe-anyị, bịakutenu anyị ọzọ…, kuziere anyị ihe anyị ga-emere nwata ahụ.”





Mmụọ ozi ahụ gwara Manoa na agaghị akpụ ntutu-isi nwa ahụ, ọ gaghị aṅụ mmanya na-aba n'anya, ọ gaghịkwa eri nri ụfọdụ.  Chineke ahọpụtawo nwata a na o ga-abụ onyeikpe.  Ọ ga-abụkwa onye-ndu nke Izrel.





Ndị nke Chineke chọrọ enyemaka n'ezie. Ha wee wepụ Chineke ná ndụ ha, ndị iro ha, bụ́ ndị Filistia, wee kpagbuo ha nke ukwu. Ma mgbe ha kpere ekpere, Chineke nụrụ. O zitere ha nwa ọhụrụ a nke ga-abụ nwoke kasị ike n'ụwa.



“Nwaayị ahụ wee mụọ nwa nwoke, kpọọ aha ya Samson: nwata ahụ wee na-etó, Jehova wee gọzie ya. Mọ nke Jehova wee malite ịdịkwasị ya.” Samson wee dị ike nke ukwuu.  Otu ụbọchị, o busoro nwa ọdụm agha - wee dọgbuo ya!



Ka e mesịrị, Samson detụrụ mmanụ aṅụ si n'ìgwè aṅụ nke kụrụ akwụ n'ahụ ozu ọdụm ahụ. O wee tụọ n’ilu sị: “Site n’onye na-eri ihe ka ihe a na-eri eri siri pụta, ihe na-atọkwa ụtọ sikwa n’onye siri ike pụta.”



O nweghị onye nwere ike
ichepụta ihe nke a pụtara - ma
nwunye ọhụrụ Samson, bụ́ onye
Filistia, gwara ndị enyi ya. Nke
a kpasuru Samson ezigbo iwe.

Samson were iwe karịa mgbe ndị Filistia nyere nwunye ya ka ọ bụrụ nwunye nye ezigbo enyi ya. O wee tụọ atụmatụ imegwara. Ma olee otú ọ ga-esi mee nke a? Na mbụ, Samson jidere nkịta ọhịa narị atọ. O wee kekọta ọdụ ha ọnụ,
abụọ abụọ,
tinyekwa
ọwa-ọkụ
n'etiti ha.



Samson wee tọpụ nkịta-ọhịa niile ndị ahụ n'ubi ọka ndị Filistia!



Ugbua, ndị Filistia chọrọ ịbọ ọbọ. Samson kwere ka e jide ya, kee ya agbụ ma nyefee ya ka ndị Filistia gbuo ya.



Ma Mọ nke Jehova dakwasịrị Samson.  Ọ dọbie ụdọ ahụ, were ọkpụkpụ agba ọhụrụ n’elu ịnyịnya ibu nwụrụ anwụ, gbuo ndị iro otu puku.



Ndị Filistia wee na-achọ Samson. N’otu abalị, ha jidere ya n’otu obodo ma kpọchie ọnụ ụzọ ámá obodo ahụ. Ma Samson pụrụ - buru ọnụ ụzọ ámá obodo ahụ n’ubu ya!



Ma Samson dara iwu nke Chineke.  Chineke nyere ya ike ma ọ bụrụhaala na ọ ga na-erubere ya isi.  Otu ụbọchị, Samson kọọrọ Delaịla, bụ ọmarịcha onye-nledo nke ndị Filistia, ihe nzuzo nke ike ya.  O wee mee ka otu nwoke bịa kpụọ ntutu-isi Samson mgbe ọ na-arahụ ụra.





Ndị-agha Filistia wee tigbue Samson n'ụlọ-ndina Delaịla. Samson wee lụọ ọgụ nke ukwuu - ma ike ya niile agwụla. Ndị-iro ya wee ghụpụ anya ya abụọ.



N’ahughi uzo nakwa n’adịghị ike, Samson wee bụrụ ohu ohu nye ndị Filistia. Ha chịrị ọchị ma kwaa ohu Chineke emo.

Ndị Filistia wee mee oriri. Ha toro chi azụ ha, bụ́ Degon, maka inyefe Samson n'aka ha. Ha ṅụrụ mmanya ma ṅụrịkwa ọṅụ n'ụlọ-ikwu nke Degon. Ha wee kpọọ Samson ka o meere ha ihe nkiri.



Otù nwa-nwoke wee dute Samson, mee ka ọ dabere n'ogidi niile nke ụlọ-ukwu Chineke.  Ndị Filistia dị puku atọ nọ n’elu ụlọ, na ọtụtụ ndị ọzọ nọ n’ụlọ nsọ ahụ, ha niile nokwa na-akwa ya emo.



Ma ajị Samson malitere itolite n’ụlọ mkpọrọ. Ugbua, o wee kpee ekpere sị, “Jehova, bụ Chineke, mee ka m dị ike náanị otù ugbò a, ka m wee bọọ ọ́bọ̀ n'ihi anya m abụọ ndị a.”





Chineke, ọ ga-enye Samson ike ọzọ? Samson ọ̀ pụrụ ime ihe na-agaghị ekwe omume? EE! EE! Na mgbalịsike, Samson mere ka ogidi ndị ahụ dị ike kewaa. Ụlọ-ikwu nke Degon dakasịrị, gbuo ọtụtụ puku ndị Filistia – tinyekwara Samson!

Samson, onye nke Chineke siri ike

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ndị Ikpe - Isi nke iri na ato
rue isi nke iri na isii

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.